# NLEKỌTA NKE NDỊNCHỤÀJÀ NA NDỊ LIVAI

## Ọnu-ọgugu 18:1-32

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 98 – Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Nēnyenu, agēnye kwa unu" (Luk 6:38).**

**Ọlụ nke Ndị Livai**

Ndị LIvai abụworị ndị wepụtara onweha iche maka ijere Chineke ozi pụrụ iche, ya onweya emewokwara ha ọnọdụ ka ha bụrụ ndị náejéozi n'ụlọ nke Chineke. Ọlụ ha bụ inyere ndịnchụàjà aka n'òfùfè nke ụlọikwuu, ọ bụghị náání isite n'otù ebe buru ụlọikwuu jee n'ebe ọzọ mgbe niile ọ bụla ụmụ Israel naebuli ijè. Mgbe ọtụtụ arọ̀ gasịrị, mgbe Ụmụ Israel batara n'Ala Mkwà ahụ, ụfọdụ èzínaụlọ nke agbụrụ ndị Livai bụ ndị arọpụtara iche maka ihe banyere ịbụ abụ nime òfùfè ha. Ụmụ ndịkom Esaf, Himan, na Jedutun wee bụrụ ndị arịaune na ndị ọbụ̀abụ̀, ndị dị kwa ukwuu n'ịbụabù na n'iji ọtụtụ arịa abụ̀une ndị nkuzi nwere amamihe na nghọta n'ihe ndịa zụpụtakwara ha (I Ihe Emere 25:1; 15:16-22; 2 Ihe Emere 5:13).

Ịbụ̀abụ̀ bụ otù akụkụ dị mkpà n'òfùfè nke ụmụ Israel naefè Chineke. Anyị naagụ: "Hezekaia we si ka esure àjà-nsure ọku n'ebe ịchu-àjà. Ma na mgbe amalitere isure àjà nsure ọkụ amalitere ịbụ abù JEHOVA, na ifu opi nile, na ikpọ ihe nile bu ubọ nke Devid, bú eze Israel. Nkpọkọta ahu nile nākpọ kwa isi ala, ndi-ọbùabù nābù kwa, ndi nāfu opi nāfu kwa anēme ihe a nile rue mgbe achubiri àjà-nsure-ọku" (2 Ihe Emere 29:27, 28). Anyị naahụ̀ kwa na ọtụtụ nime Abù Ọma ka ndị ọbụ̀abụ̀ ndịa nke ndị Livai dere, bụ́ Esaf, Himan na Jedutun.

**Enweghị Ihenketa nime Kenean**

Ndị Livai bụ ndị ekewapụrụ nnọọ iche maka ijéozi dị nsọ nke mere na ha esoghị ụmụnna ha nata ihe nketa nime Kenean. Enyere ha obodo ebe ha gaebi, na ala nke gaezuru ha ilekọta ìgwè ehi ha, ma ha enweghị ụzọ ọ bụla nke ha si alụpụta ihe ha ji adị ndụ, ha enweghị kwa ọnọdụ ọ bụla n'ihe banyere ọchịchị nke obodo. Náání ebe uche ha gaadị bụ n'ihe banyere ijéozi nke Chineke.

Chineke lekọtara ndị nke Ya nkeọma bụ́ ndị wepụtara onweha iche. Ọ sịrị na Ya Onweya gaabụ ihe nketa ha. Ha nyere oge ha na uche ha n'ijéozi Ya, ha kwesịkwara ịbụ ndị Ọ gaeji aka Ya nye ihe oriri.

Pọl Onyeozi kwuruokwu, maka ịkwagide ndịozi mgbe ọ sịrị "Unu amatagh na ndi nālu ọlu n'ulọ uku Chineke nēri ihe si n'ulọ uku Chineke puta, na ndi nānọ kwa n'iru ebe ichu-àjà nēsi ebe ichuàjà ahu nēkekọ ihe? Ọbuná otú a ka Onye-nwe-ayi kara akara ka ndị nēkwusa Ozi-ọma Ya si n'ozi ọma ahu di ndu" (I Ndi Kọrint 9:13, 14).

**N'etiti Ndị Dị Ndụ na Ndị Nwụrụanwụ**

Chineke chọrọ ka ndịozi ahụ wetara ụmụ mmadụ okwu nke ndụ ahụ ka ha "nāzu igwè aturu nta." Ha aghaghị inwe ịhụn'anya Chineke nime obi ha, ndị nwekwara Mmụọ Nsọ nime ndụ ha ikuziri ụmụmmadụ ụzọ ha gaesi rue Eluigwe. Óké ọlụ nke dị mkpà dịrị onyeozi iguzo n'etiti ndị dị ndụ na ndị nwụrụanwụ wee dọọ ndị mmadụ akanántị ka ha gbanarị ikpé nke náabịa.

Chineke gwara Ezikiel na ọ bụrụ na onyenche hụrụ mma agha ka ọ naabịa ma ọ dọghị ndị ahụ akanántị, agaajụta ọbara ha n'aka ya. Chineke edowo ndịozi Ya dịka ndịnche, ha aghaghị kwa inwe Mmụọ Nsọ nime ndụ ha ka ha nweeike ịdọ ndị mmehie akanántị ka ha chègharịa site ná mmehie ha wee jikere izute Onyenweanyị.

**Échébéré site N'ikwesị ntụkwasị obi nke Ndị nchụàjà**

Eron na ụmụ ya, ndị nchụàjà, chụrụ àjà dị icheiche maka ụmụ Israel mgbe ha mehiere, ma ọ̀ bụghị otú ahụ ha gaabụworị ndị Chineke kpochapụrụ. Ọtụtụ mgbe anaetigbu mmadụ ngwangwa ha mehiere. N'otù mgbe ndị Israel tamurù ntamù megide Moses wee kwue sị na ọ naewuta ha na ha rapụrụ Ijipt, Chineke zipụrụ agwọ ka ọ taa ha. Ọtụtụ nime ndị agwọ tara nwụrụanwụ. Moses kpere ekpere maka ndị ahụ agwọ tara. Chineke nwekwara obiebere wee gwa Moses ihe ọ gaeme ka ewee napụta ha site n'ọnwụ (Ọnu-ọgugu 21:4-9).

N'oge ọzọ Ụmụ Israel tamuru ntamù n'ihi na Chineke lara ndị ajọ omume n'iyi n'ihi mmehie ha. Chineke chọrọ ikpochapụ ọmụma ụlọikwuu niile nke Israel n'ihi mmehie ahụ, ma Moses na Eron kpesịrị ekpere ike ọzọ ka Chienke gbaghara ha. Moses gwara Eron ka o were ihe ịgụọkụ tinye kwa ọkụ n'elu ya wee jee ọsọsọ n'etiti mkpọkọta ahụ chụaàjà mkpuchi mmehie maka ndị ahụ n'ihi na ikpé amalitewọrị ịdakwa Ụmụ Israel n'ụdị iheotiti.Eron gbara ọsọ dịka Moses gwara ya – ma ọnụọgụgụ mmadụ nke dị puku iri naanọ na narị asaa (14,700) anwụwọrị. Mkpọkọta ahụ niile ha abụworị ndị nwụrụanwụ ma ọ bụrụ na Onyenchụàjà eguzoghị n'etiti ndị nwuru anwu na ndi di ndu" (Ọnu-ọgugu 16:41-50).

O kwesịrị ka anyị bụrụ ndị nwere obiekele n'ihi ezi ndịozi ndị dị njikere ilefuru ụzọ nke onweha na ọchịchọ nke onweha anya ka ha wee bụrụ ndị nlekọta nke ụmụ Chineke! "Ma ayi nēkpere unu, umu-nna-ayi, ka unu mata ndi nādọgbu onwe-ha n'ọlu n'etiti unu, ndi bu kwa ndi-isi-unu nime Onye-nwe-ayi, ndi nādu kwa unu ọdù: ka unu were kwa ihu-n'anya sọpuru ha gabiga oké nke-uku ri nne n'ihi ọlu-ha" (I Ndi Tesalọnaika 5:12, 13).

Ndị Livai ahụ bụ́ ndị nọ n'ọnọdụ dị ala karịa ndịnchụàjà nwekwara ọlụ ha gaalụ, nke gaeme ka mmadụ nwụọ ma ọ bụrụ na ha eleliạ ya anya. Chineke dọrọ akanántị na onye ọbịa ọ bụla agaghị abịa nsọ Ụlọikwuu, n'ihi na ha adịghị ọcha ma Ya Onweya dị nsọ. Ọ bụrụ na onye ọ bụla abịa nso, onye ahụ gaanwụ. Ya mere ndị Livai gbara Ụlọikwuu ahụ gburugburu iji gbochie onye ala ọzọ site n'ịnwụ ọnwụ.

**Otù Ụzọ n'Ụzọiri nke Ụmụ Israel**

Chineke chọrọ ka Ụmụ Israel mata ịdị mkpà nke ijéozi nke ndịnchụàjà na ndị Livai ndịọzọ; iji kwa gosi na ha matara mkpà ọ dị, ha gaeweta otù ụzọ n'ụzọ iri nke ihe ọkụkụ ha niile na nke igwè ewu na atụrụ ha niile nye ndị Livai. Ọtụtụ nime onyinye ndịa ka anaeji dịka ihe ịchụàjà, mgbe echesiwokwara ha n'iru Onyenweanyị, nke fọdụrụ nime ha ka agaeri. Otù ụzọ nime ụzọiri nke iheomume nke Ụmụ Israel, mkpụrụ mbụ niile na ụmụ ọbụla eburu ụzọ mụ -- ihe niile kachasị mma -- gaabụ ihe nketa nke ndị Livai.

Site nime otù ụzọ n'ụzọiri ahụ nke ndị Livai natara, ha naewepụta nke ka mma ka ha bụrụ otù ụzọ n'ụzọiri nke agaenye ndị nchụàjà. Ya mere elekọtara ndị Livai niile na ndị nchụàjà anya nkeọma site n'òkè ahụ nke Chineke rọpụtaara ha.

Ọ dịghị oge ọ bụla o kwesịrị ka échèfue ndị Livai. Chienke rọpụtara ụfọdụ ememe dị icheiche we náechetara ndị Israel ka ha ghara ichefu ndị Livai na ndị ogbenye, ka ha naeso ha rikọọ ihe wee ñụrịa. "Lezie onwe-gi anya ka ị ghara irapu onye Livai ubọchi-gi nile n'elu ala-gi" (Deuteronomi 12:19).

Otù ọ dị, mgbe ọtụtụ arọ̀ gasịrị ndị Israel chefuru ndị Livai, ihenripịa bịakwasịrị ala ha. N'ihi na ha akwụghị otù ụzọ n'ụzọiri bụ́ nke dịrị Chineke, oké nsogbu dakwasịrị ha. Chineke ekwewo nkwà sị "Sọpuru JEHOVA site n'akù-gi, site kwa na nkpuru mbu nke ihe-omume-gi nile: ọba-gi nile gējuputa kwa n'ihe-nriju-afọ, ebe-nzọcha nkpuru vine-gi nile gētiwa kwa na manya-vine ọhu" (Ilu 3:9, 10). Mgbe anyị rubereisi n'okwu Chineke, anyị gaanata ngọzi Ya.

Chineke sịrị Malakai onye amụma ka ọ gwa ndị ahụ ihe mere ala ha ji bụrụ ihe abụrụ ọnụ na ihe mere ha ji bụrụ ndị agụụ naagụ na ndị naarịa ọrịa. "Ọbubu-ọnu ka eji abu unu onwe-unu; ọ bu kwa Mu ka unu onwe-unu nāpunara ihe, bu mba nka nile." Òlee otú ha si pụnara Chineke ihe? "N'otù ụzọ n'ụzọiri nile na àjà-nbuli nile." Ma o kwesịghị ka ha nọgide n'ọnọdụ ọjọọ ha ahụ. Chineke gosịrị ha otú ha gaesi laghachi n'ọnọdụ inwebiga ihe òkè: "Webatanu otù ụzọ n'ụzọ iri nile n'ulọ-àkù nkem, ka ihe-oriri we dị n'ulọm, biko nwanum na nka, ka JEHOVA nke usu nile nke ndịgha sịrị, ma M'gagh emeghere unu window nile nke elu-igwe, wusara unu ngọzi, rue mgbe ọnọdụ agagh-ezu inagide ya" (Malakai 3:8-10). Chineke kwere ndị Israel mkwà ahụ, ma anyị onweanyị pụrụ ịnata kwa ya, n'ihi na anyị bụ ụmụ nke Abraham site n'okwukwe.

**Àtụ̀màátụ̀ nke Chineke Nye Nzukọ Ya**

Ọ bụrụ na anyị eleba anya nime Akwụkwọnsọ, anyị gaahụ́, na ihe banyere otù ụzọ n'ụzọiri bụ àtụ̀màátụ̀ nke Chineke iji wee mee ka Nzukọ Ya nwee ego. Ụfọdụ mmadụ naekwenye na iwu nke inye otù ụzọ n'ụzọiri dịrị náánị ndị Israel, ma anyị gụrụ na ihe karịrị narị arọ̀ isii (600) tupu enye Iwu. Abraham kwụrụ otù ụzọ n'ụzọiri nye Melkizedek, onyenchụàjà nke Chineke onye kachasị ihe niile elu (Ndị Hibru 7:1-6).

Jekob, onye bụ́ nna nke ndị Israel kwere Chineke mkwà na Betel, n'oge ọ rọrọ nrọ wee hụ ubube ahụ nke ruru n'Eluigwe, na ọ gaakwụ Onyenewanyị otù ụzọ n'ụzọiri. "Ihe nile I gēnyem aghaghkwam inye Gi otù ụzọ n'ụzọ iri" (Jenesis 28:22).

Mgbe náadịghị anya emere ka Moses mata ihe banyere àtụ̀màtụ̀ nke ikwụ otù ụzọ n'ụzọiri ahụ: "Otù uzọ n'uzọ iri nile nke ala, site na nkpuru-ọghigha nke ala, ma-ọbu site na nkpuru osisi, ihe JEHOVA nwere ka ọ bụ: ọ bu ihe nsọ diri JEHOVA" (Levitikọs 27:30). Anyị naahụ na otù ụzọ n'ụzọiri ahụ "ihe JEHOVA nwere ka ọ bu." Ọ bụghị nke gị maọbụ nke mụ onwem, kama ọ bụ nke Chineke. Ọ bụrụ na anyị enyeghị Ya ihe bụ nke Ya. Ọ gaghị agọzi ndụ anyị. N'ezie, Chineke kpọrọ ya izu ori bụ́ mmadụ ijide otù ụzọ n'ụzọiri nke dịrị Ya. "Madu, ọ gāpunara Chineke ihe. Ma unu nāpunaram ihe? Ma unu nāsi, Nime gini ka ayi punarawaro Gi ihe? N'otù ụzọ n'uzọ iri nile na àjà-nbuli nile" (Malakai 3:8).

Ndị Ju naakwụ otù ụzọ n'ụzọiri mgbe Jisọs nọ n'eluụwa, ma Ọ gwara ha ka ha naeme otú ahụ gaa n'iru. Ma Ọ chọrọ ihe karịrị nke ahụ n'aka ha. Ha adịghị efè Chineke n'ihi na ọ dị ịhụn'anya ọ bụla nke dị n'obi ha banyere Ya; Jisọs kpọkwara ha ndị iruabụọ. "Ahuhu gādiri unu, ndi-ode-akwukwọ na ndi Farisii, ndi-iru-abua; n'ihi na unu nēnye

otù uzọ n’uzọ iri nke nkpa-akwukwọ nēsi ísì utọ na anise na cummin, unu arapuwo kwa ihe ka arọ̀ n’iwu, bu ikpé, na ebere, na okwukwe: ma ọ di nkpà ka unu me ihe ndịa, ka unu ghara kwa irapu ihe ahu” (Matiu 23:23).

Ịkwụ otù ụzọ n’ụzọiri, maọbụ inye otù ụzọ nime ụzọiri nke ihe anyị nwetara, dị mma bụrụ kwa ihe ziriezi, n’ihi na ndị nwere karịa gaenwe ike inye karịa; ndị nwekwara nke ntà, gaenye ihe ha nwere ike. “Nwoke ọ bula dika onyinye aka-ya si di, dika ngọzi JEHOVA, bu Chineke-gi, si di, nke O nyeworo gi” (Deuteronomi 16:17). Jisọs gọzịrị otù nwanyị ogbenye ahụ nke tụbara ego ntà abụọ karịa ndị ogaranya ahụ ndị eleghịanya, ọ dịghị ihe ọ bụ n’ebe ha nọ bụ́ nnukwu ego ahụ ha nyere (Mak 12:42-44).

**Inwe Obi nke Dị Njikere**

Chineke naachọ ka anyị nye, ọ bụghị n’ihi na anyị aghaghị inye, kama ka anyị nye site n’iwere obi anyị niile, n’ihi na anyị hụrụ Ya n’anya. “N’ihi na asi na obi di ọku di ya, ọ bu ihe agānara nke-ọma dika ihe ọ bula madu nwere si di, ọ bugh dika ihe ọ nēnwegh” (2 Ndi Kọrint 8:12).

Mgbe anyị ghọtara ịdịukwuu nke ịhụn’anya ahụ nke Chineke nwere n’ebe anyị nọ, anyị gaachọ inye ihe niile anyị nwereike iji nye aka mee ka ndịọzọ chọta Ya -- otù ụzọ n’ụzọiri ịhụn’anya iji obi dị ọkụ jee ozi, otù ụzọ n’ụzọ iri nke ọlaọcha na ọlaedo. Anyị ga abụ ndị chọrọ ịgbasa akụkọ nke nzọpụta a n’ụwa niile – site n’ikwusa ya n’ụzọ ntụte pụrụ iche, site n’ụmụ akwụkwọ odide dị icheiche, site n’ịma ya n’ọkwa, site n’ijé n’onweonye leta ndịọrịa na ndị nọ n’ụlọ mkpọrọ, ndị nọ n’ọnọdụ dị ala náenweghị ụzọ ọzọ ha gaesi nụ Akụkọ a. Anyị gaachọ inyere ndị náagbasa Oziọma n’ala ndịọzọ aka. Site n’ikwụ otù ụzọ n’ụzọ iri anyị, anyị gaabụ ndị náenye aka n’ihe ndịa niile; ọ bụrụ kwa na anyị ewere ndụ anyị chụọàjà wee kpesie kwa ekpere ike ka Chineke gọzie mkpụrụ nke akụworo anyị gaerite ọtụtụ mkpụrụobi dị óké ọnụahịa n’urù nye Alaeze nke Kraist.

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Gịnị bụ ọlụ dị icheiche nke ndị Livai?
2. Gịnị gaabụ ihe nketa ha?
3. Gịnị bụ ihe karịrị iheoriri nke ndị Livai natara?
4. Òlee otú ndị Israel si pụnara Chineke ihe mgbe ọtụtụ arọ̀ gasịrị?
5. Gịnị bụ otù ụzọ n’ụzọiri?
6. Ònye kwụrụ otù ụzọ n’ụzọ iri tupu oge nke ndị Israel?
   Kpọọ aha ndịkom abụọ
7. Jisọs Ọ̀ sịrị ka ndị mmadụ kwụọ otù ụzọ n’ụzọiri?